# NSOGBU ỤMỤ AKWỤKWỌ SỊNỊỌ SEKỌNDỊRỊ NA-ENWE N'ỌMỤMỤ MKPỤRỤ ỤDAASỤSỤ IGBO

**NDIDI J. OKEY-AGBO PhD**
**Department of Linguistics, Igbo and other Nigeria Languages**
**University of Nigeria, Nsukka**
**08061271905**

**&**
**STANLEY A. ỌZỌR**
**Department of Igbo, African and Communication Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**09071745971**

**Ụmị Edemede**
*Nchọcha a lebara anya na nsogbu ụmụ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị afọ nke mbụ na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Ihe kpalitere nchọcha a bụ ihe nhịahụ ụmụ akwụkwọ na-enwe mgbe ha na-amụ asụsụ Igbo ọkachasị mkpụrụ ụdaasụsụ. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe na-eweta nhịahụ nye ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ịmụ mkpụrụ ụdaasụsụ dịka mkpọpụta ụda, olundị na ndị abụghị ndị Igbo. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na atụtụ adịm gara gara asụsụ. Atụtụ a na-eleba anya ka asụsụ si dịdebe gara gara. Usoro a gbasoro mee nchọcha bụ sọvee nkọwa. Njịatule e ji rụo ọrụ na nchọcha a sitere n'ajụjụ ọnụ a gbara ụfọdụ ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị ndị nọ n'afọ nke mbụ ha na steeti Anambra. Nchọcha a chọpụtara ihe ndị na-eweta ihe nhịahụ nye ụmụ akwụkwọ ndị na-amụ mkpụrụ ụdaasụsụ dịka mkpọpụta ụda, olundị na ndị abụghị ndị Igbo. Ụfọdụ ụda ndị na-arịa ụmụ akwụkwọ ahụ n'ọmụmụ gụnyere: /ɤ/, /ŋ/ na /ŋw/. Nchọcha a tụnyere aro ka ndị nkuzi na ndị na-akwado kọrịkụlum buru nke a n'obi ma wepụta ụzọ kachaa mma iji hụ na e belatara nsogbu a maọbụ ihe nhịahụ ndị a na-adị mgbe ụmụ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị nke mbụ na-amụ mkpụrụ ụdaasụsụ.*

## 1.0 Mkpọlite
N'ebe ndị amụmamụ sayensị asụsụ nọ, asụsụ bụ ihe dị mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bu ya ka mmadụ ji egosipụta etu obi dị ya n'ihe ọ chọrọ ime. Ya bụ, mmadụ ọ bụla dị ndụ nwere asụsụ ya na mmadụ ibe ya ji akparịta nkata. Ụfọdụ ndị n'enweghị ike ikwunwu okwu ma ọ bụ ịnụnwu ihe nwekwara ụzọ ha si ezi ozi ha chọrọ izi. Mana n'ebe a, ebe mgbakwasa ụkwụ nchọcha a bụ asụsụ nke ekwurunọnụ. Mkpụrụ ụdaasụsụ so n'otu n'ime ihe ọmụmụ ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-eleba anya n'asụsụ Igbo. Nke a na-amalite n'ogo sinio sekọndịrị.

Mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo ụfọdụ na-abụ ọgbata uhie nyere ụmụ akwụkwọ oge ha na-eme ihe ọmụmụ. Mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo a gụnyere ụdaume na mgbochiume. Na mkpọpụta ụfọdụ ụda ndị a, ụmụ akwụkwọ na-enwe ihe nhịahụ nke na-echere ha aka mgba. Ọ bụ ihe nhịahụ a kpaliri mmụọ ime nchọcha iji chọpụta ụzọ a ga-esi belata ihe nhịahụ ndị a na-echere ụmụ akwụkwọ sekọndịrị aka mgba mgbe ha na-amụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Mkpụrụ ụdaasụsụ bụ ụda ọ bụla nke na-eweta ndịiche na nghọta n'etiti okwu abụọ yiri onwe ha. Mkpụrụ ụdaasụsụ nwere ike ịdị n'ụdị ụdaume ma ọ bụ mgbochiume. Ụdaume bụ uda ndị ahụ anaghị enwe ihe mgbochi n'ọnụ ma a na-akpọpụta ha ebe mgbochiume bụ ụda ndị ahụ a na-enwe mgbochi nke na-esite na nnọkọta ma ọ bụ mbịakọta ọnụ njiakpọ ike na njiakpọ jụụ mgbe a na-akpọpụta ha.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ nke Naịjirịa ma bụrụkwa asụsụ a na-asụ na steeti ise ndị Igbo nwe ndị bụ: Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. A na-ahụ ndị na-asụ Igbo n'ebe ụfọdụ na steeti Delta, Edo na Rivas. Williamson na Blench (2000) kọwara na asụsụ Igbo so n'otu ezinaụlọ asụsụ Benue Congo (nke a na-akpọbu Kwa). Ọ bụ site n'ịgbado ụkwụ n'atụtụ Adịm gara gara asụsụ ka nchọcha a ga-eji lebanye anya na nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ

ụdaasụsụ Igbo. Nke a ga-enye aka ịchọpụta nhịahụ ụmụ akwụkwọ na-amụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo na-ezute ma site n'oge mara ka a ga-esi gbochie ma ọ bụ belata ha. Ihe nke a pụtara bụ na ebe nchọcha a ga-agbado ụkwụ ga-abụ naanị na mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo.
Ebe ọ bụ na e mekebeghị nchọcha rijuru afọ n'ihe gbasara nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo, mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe na-eweta nhịahụ nye ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ịmụ mkpụrụ ụdaasụsụ dịka mkpọpụta ụda, olundị na ndị abụghị ndị Igbo. *Data* e ji rụọ ọrụ na nchọcha a sitere n'ajụjụ ọnụ a gbara ụmụ akwụkwọ na ndị nkụzi sekọndịrị nọ na steeti Anambara na Enugwu.

E kere nchọcha a n'agba anọ. Agba nke mbụ bụ mkpọlite ga-edubanye anyị ma kọwaara anyị ihe nchọcha a chọrọ ilebanye anya na ya. A ga-anọzikwa ebe ahụ nye nkowa gbasara mkpụrụ ụdaasụsụ. Agba nke abụọ bụ ntụlegharị agụmagụ ebe e nyere n'ụzọ doro anya nkọwami atụtụ Adịm gara gara, na nchọcha ndị e merela ndị gbadoro ụkwụ na ya bụ atụtụ. Agba nke atọ bụ ebe e gosipụtara *data* ma kọwaa ha ebe agba nke anọ bụ ebe a chịkọtara nchọpụta na mmechi.

## 2.0 Ntulegharị Atụtụ

Atụtụ a gbasoro ụkwụ na nchọcha a bụ atụtụ Adịm gara gara asụsụ bụ nke onye chọpụtara ya bụ Fishman, n'afọ (1989). Atụtụ a na-eleba anya ka asụsụ si dịdebe gara gara. Nke a bụ ịchọpụta ma asụsụ ọ na-anwụ anwụ ka ọ na-akwụdosi ike. Atụtụ a kwenyere na asụsụ nọ ọnọdụ ka ihe dị ndụ, nke bụ a mụọ ya, ọ malite ito eto, ma ọ bụkwa nwụọ anwụọ ma e leghị anya. N'ịkọwapụta atụtụ a, Mbah na Mbah (2014) depụtara ụzọ ọnọdụ atọ ndị nwere ike iweta ọnwụ asụsụ; nke mbụ bụ mgbe otu agbụrụ wakporo agbụrụ ọzọ tụmadị nke ọ ka ike, o nwere ike ịmanye nke ọ wakporo ka ọ kwusị asụsụ ya ma soro ha sụba nke ha. Ụdị ọnọdụ a pụtara ihe n'etiti ndị Rome na ndị Greek. Nke abụọ bụ nke na-apụta ihe n'ụdị ịma iwu ka a sụba naanị otu asụsụ n'obodo e nwere ọtụtụ asụsụ. Nke a na-ebute ọnwụ asụsụ nke ndị nwe ya dị naanị ole na ole. N'ihi na mgbe ọ bụla onye ikpeazụ maara asụsụ a nwụrụ, mara na nke asụsụ ahụ agaala. Nke atọ bụ enweghị mmasị nke ndị nwe asụsụ n'ebe asụsụ ha dị. Dị ka ọ dị, ndị mmadụ na-eche na ịsụ asụsụ ahụ bịara abịa bụ iji gosi na ha ma ka e si asụ, na ha na-awa anya nakwa igosi ịkpa nganga. Site na nkọwa ndị a, atụtụ a na-enye aka ịkpalite mmụọ ndị nwe asụsụ maka asụsụ ha. Fishman (1989) gara n'ihu kọwaa sị na a gbakọọ ebe e ji asụsụ arụ ọrụ n'ebe dị iche iche nke a ga-egosipụta etu asụsụ sị dị gara gara. Onye ọzọ kwuru okwu maka atụtụ a bụ Stewart (1968) n'ime Mbah na Mbah (2014). Ọ sịrị na, a na-ekwu na a sị na asụsụ na-arụ ọrụ dị aṅaa, ọ pụtara na ọsụụ na ọnụụ ji ya arụ ọrụ n'ọnọdụ mmekọrịta dị aṅaa. Nke a na-egosipụta onwe n'okwu ahụ nke na-asị na asụsụ na ewumewu obodo gbara ndụ.

Chambers (1995) n'ime Mbah na Mbah na nke ya sịrị na atụtụ adịm gara gara asụsụ metụtakwara ka asụsụ sị arụdebe ọrụ n'obodo tụmadị n'ebe e nwere ọtụtụ asụsụ. Ya bụ, ọ bụrụ na a na-asụ ma jiri ya na-arụ ọrụ dị iche iche n'obodo ebe e nwere ọtụtụ asụsụ, nke a pụtara na ọ dị gara gara ma kwusie ike n'ebe asụsụ ndị ọzọ nọ.

## 3.0 Ngosipụta na nnyocha ngwa nchọcha

### 3.1 Mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo: Mgbochiume na Ụdaume

Mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo dị iri atọ na isii (36). Ha gụnyere mgbochiume iri abụọ na asatọ (28) na ụdaume asatọ (8). Mkpụrụ ụdaasụsụ bụ ụda ndị ahụ na-eweta ndịiche na mkpọpụta otu mkpụrụokwu na ibe ya. Ịma atụ: mkpụrụ ụdaasụsụ nke mere ka /mbe/ na /mba/ dị iche bụ /e/ na /a/, nke mere ka /agwa / na /akpa/ dị iche bụ /gw/ na /kp/.

A na-emepụta mgbochiume mgbe e ji nkupụta ume nwere mgbochi n'oghere ọnụ mepụta ụda site na mmetụkọ njiakpọike na njiakpọjụụ. Nke a pụtara na e ji nnọkọ mkpachi akpọpụta mgbochiume. Mgbochiume Igbo bụ ndị a: /p, b, t, d, k, g, kp, gb, kw, gw, f, v, s, z, ʃ, h, ʧ, ʤ, ɣ, m, n, ŋ, $ŋ^w$, ɲ, r (ɹ), l, j, w/.

N'akụkụ ụdaume, ụdaume bụ ụda ndị ahụ e ji nkupụta ume akpọpụta n'enweghị mgbochi n'oghere ọnụ. Ụdaume Igbo dị asatọ. Ha bụ: /a, e, i, ɪ, o, ɔ, u, ʊ,/.

### 3.2 Nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo

N'ebe a, nchọcha a ga-ekwu ihe nhịahụ ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Ikwupụta ihe nhịahụ a ga-enyere ndị nkuzi aka ịmata akụkụ ebe ha ga-agbadokarị ụkwụ na nkụzi ha nakwazi iwepụta usoro ga-eme ka nhịahụ ndị a ghara inye oke nsogbu. Ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe ihe nhịahụ n'ịkpọta mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo dị ka ụda /ɣ/, /ŋ/ na /ŋʷ/. Ụda atọ ndị a na-ahịa ụmụ akwụkwọ sekọndịrị ahụ ịkpọpụta. Nke a bụ n'ihi na ụfọdụ n'ime ha abụghị ndị a mụrụ n'ala Igbo. Ụfọdụ n'ime ha abụghị kwa ndị Igbo. O nwere ike bụrụ agụmakwụkwọ kpọ ha bịa ala Igbo. Nke a pụtara na asụsụ Igbo abụghị asụsụ ara nne ụfọdụ n'ime ha. Oge ụfọdụ, ọ na-abụ oge mbụ ha na-anụ maka mkpụrụ ụdaasụsụ ndị Igbo. Mgbe ha na-enwe nsogbu n'ịkpọpụta ụda ndị a, ha ga-achọ mkpụrụ ụdaasụsụ yitere mkpụrụ ụdaasụsụ ahụ na-ahịa ha ahụ were ya dochie anya ya. Ihe nke a pụtara bụ na ebe ọ bụla mkpụrụ ụdaasụsụ /ɣ/, /ŋ/, na /ŋʷ/ pụtara, ha na-eji mkpụrụ ụda yitere ha dochie anya ha. Ịma atụ, ihe ha ga-eme bụ ịkpọpụta /ɣ/ dị ka /h/ ma kpọpụta /ŋ/ dị ka /n/ ma ọ bụ /w/. Nke a ga-eme ka ụmụ akwụkwọ na-akpọ /aɣa/ dị ka /aha/ ma na-akpọ /aŋʷʊ/ dị ka /aŋʊ/, na-akpọkwa /aŋʊrɪ// dị ka /anʊrɪ/. Nke a ka ha ga-eme ruo mgbe ha nwere ike ịkpọpụtanwu mkpụrụ ụdaasụsụ ndị ahụ etu e si akpọpụta ha n'asụsụ Igbo. Nhiahụ a bụ na mkpọpụta mgbochiume ka ha na-enwekarị ya. Ha anaghị enwekebe nhiahụ n'ịkpọpụta ụdaume.

N'ajụjụ ọnụ a gbara ụmụ akwụkwọ iri nọ na klaasị nke sịnịọ sekọndịrị nke mbụ ka ọnwa Maachị dị n'abalị atọ nke afọ puku abụọ na iri abụọ na isii, a chọpụtara na ha kpoghiere ụfọdụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Ụmụ akwụkwọ ndị a a gbara ajụjụ ọnụ na nchọcha a na-agụ akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ *Differential College, Awka* dị na steeti Anambara. Ha kpọgherie mkpụrụ ụdaasụsụ ndị a:

John Miracle Imabong kpọpụtara /aɣa/ dị ka /aha/
Eze Lucy kpọpụtara /ŋ/ dị ka /w/
Omotala Grace kpọpụtara /ɣ/ dị ka /h/
Okeke Emeka kpọpụtara /ŋ/ dị ka /n/
Abubakar Success kpọpụtara /aŋʷʊ/ dị ka /aŋʊ/
Abubakar Goodluck kpọpụtara /aŋʊrɪ// dị ka /anʊrɪ/
Oti Kenneth kpọpụtara /ŋ/ dị ka /n/
Nzegwu Chinonso kpọpụtara /ŋ/ dị ka /w/
Ugwu Stephanie kpọpụtara /aɣa/ dị ka /aha/
Mark Daniel kpọpụtara /aŋʊrɪ// dị ka /anʊrɪ/

Nke a pụtara na nhịahụ a na-apụtakarị ihe na mgbochiume karịa n'ụdaume. A chọpụtara na ụfọdụ ụmụ akwụkwọ na-enwe nhịahụ a, abụghị ndị Igbo site n'aha nna ụfọdụ ha na-aza dịka John, Mark, Abubakar. Nke a pụtara na ụfọdụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo na-ahịa ha ahụ ịkpọpụta n'ihi na ọ bụghị asụsụ ara nne ha. A chọpụtara na ndị ọzọ, bụ ndị Igbo nọ n'ime ha amachaghị asụ asụsụ Igbo. Nke a pụtara na ndị nne na nna ha anaghị asụgụrụ maọbụ akụziiri ha asụsụ Igbo. Ụfọdụ ha bụ mbụ ha ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. A chọpụtara na ihe ndị a na-ebute nhịahụ nye ụmụ akwụkwọ mgbe ha na-amụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo.

## 4.0 Nchịkọta

### Nchọpụta na Mmechi

Na nchịkọta, nchọcha a agbaala mbọ ịgbado ụkwụ n'atụtụ Adịm gara gara asụsụ tụlee nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Nchọcha a chọpụtara na asụsụ Igbo nwere mgbochiume iri abụọ na asatọ na ụdaume asatọ. N'ịga n'ihu, ederede nchọcha a chọpụtara na nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo bụ n'ebe mkpọpụta mkpụrụ ụdaasụsụ ụfọdụ dị ka na mkpọpụta ụda /ɣ/, /ŋ/, na /ŋʷ/. Nsogbu a bụ n'ihi na ụfọdụ n'ime ha abụghị ndị Igbo ebe ụfọdụ n'ime ha ka na-amụ ka e si asụ Igbo. Olundị sokwa ewete nsogbu n'ịkpọpụta /ɣ/. Ụfọdụ kwa bụ ndị anụbeghị maka mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo na mbụ. Nhiahụ a bụ sọ na mkpọpụta mgbochiume ka ọ na-apụtakarị ihe. Ha

anaghị enwekebe ihe nhiahụ na mkpọpụta ụdaume. Ọzọ kwa, n'ihi nsogbu a ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-amụ mkpụrụ udaasụsụ Igbo na-enwe na mkpọpụta ụda /ɣ/, /ŋʷ/ nakwa ụda / ŋ /. Nchọcha a na-atụ alo ka a gbado ụkwụ na nchọpụta e nwetara wee mebe usoro ọmụmụ ihe (kọrịkulọm). Mgbe e mere nke a, ndị nkuzi ga-ewepụta ụkpụrụ ma ọ bụ usoro ga-eme ka ihe nhịahụ ndị a belata bịazie mee ka ọmụmụ mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo dị mfe. Dị ka o si dị, asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-amụ n'ogo sekọndịrị ma na-ele ya n'ule *WAEC* n'ala anyị bụ Naịjirịa. N'ikpeazụ, ndị nkụzi na ndị ọkachamara n'amụmamụ asụsụ ga-agba mbọ tinye nchọpụta nchọcha a n'ọrụ ma gbakwụnye ya na kọrịkulọm ka o nye aka n'ibelata ihe nhịahụ a na-enwe n'amụmamụ asụsụ Igbo ọkachasị mkpụrụ ụdaasụsụ Igbo. Ọzọ kwa, ndị nchọcha ndị ọzọ ga-agbazikwa mbọ ịhụ na ha nyochara nsogbu ọzọ na-echere ụmụ akwụkwọ sekọndịrị aka mgba n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na nke a ga-enye aka n'abụghị naanị n'ibelata nsogbu ma ọ bụ ihe nhịahụ a na-enwe n'amụmamụ asụsụ; kama ọ ga-emekwa ka asụsụ Igbo nwee nchọcha e merela na ya ma sikwa n'ụzọ dị etu a kwalite asụsụ Igbo.

**Edensibịa**


Abbas, A. (1995). Contrastive analysis: Is it a living fossil? *International Review of Applied Linguistics in Language Teaching*, 33, 195-215.

Agbedo, C. U. (2015). *General Linguistics: Historical and contemporary perspectives.* Nsukka: KUMCEE-Ntaeshe Press.

Eze, J.C (2016). *Introduction to Advanced Educational Technology.* Enugu: Count Global publishers

Mbah, B. M. (Ọhz.) *Theories of Linguistics.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N., Akaeze, C. M., Onu, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O. & Odii, B. C. (2013). *Igbo adị: Igbo-English English-Igbo Dictionary of Linguistics and Literary Terms.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B.M na Mbah, E.E (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ.* Enugu: University press Ltd.

Ọfọmata, C.E (2012). *Omenala na Ọdịnala ndị Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Sapir, E (1921). *Language*. New York: Hcourt Brace and Jova.

Shyamlee, S.O na Phil, M (2012). *Use of Technology in English Teaching and Learning*

Ukaegbu, N. (2011). Aspects of Berom Phonology. Edemede Maka Nzere B.A., Mahadum nke Nasarawa Steeti.